Vol 9, Issue 2 | Date of Published: July 2026
USORO NJ?AJ?J? NA AJ?J? N' OLU NZ? NA IGBO ...
Abia Journal of Humanities

# USORO NJỤAJỤJỤ NA AJỤJỤ N' OLU NZỤ NA IGBO IZUGBE: NDEKỌ NTỤLEKỌRỊTA

## (INTERROGATIVE STRUCTURES AND QUESTION FORMATION IN THE NSỤ DIALECT AND STANDARD IGBO: A COMPARATIVE DOCUMENTATION)

**[1] Chuks Favour Demson**

&

**[2]Gloria Nkiru Egwuonwu-Chimezie**

**Ụmịedemede**

Njụajụjụ bụ usorookwu maọbụ mkpụrụokwu ọrụ ya bụ ịjụ ajụjụ. E lebara anya n'usoro ịjụ ajụjụ n'olundị Nsụ na Igbo Izugbe na nchọcha a, iji mara myiri na ndịiche dị n'usoro mmebeokwu na usorookwu ha. Asụsụ Igbo nwere ọtụtụ olundị nke mere ka a na-enwe ndịtụiche n'ọdịdị mkpụrụokwu nakwa n'usorookwu n'etiti olundị ndị a, na Igbo izugbe. A gbasoro usoro nkọwasị wee mee nchọcha a site n'iji atụtụ usoro nnyocha adịmiche. E jiri ndị na-asụ olundị Nsụ ka olu epum ha mee nchọcha a, tinyere ihe ndị e nwetara site n'ajụjụ, azịza nakwa mkparịtaụka anyị na ndị e ji mee nchọcha nwere. Ọ bụladị ihe ndị a gụtara n'akwụkwọ dị icheiche e dere gbasara isiokwu nchọcha a, na o yiri ya socha, tinyekwara ihe ndị omenchọcha maara banyere isiokwu dịka ndị na-asụ asụsụ Igbo ka asụsụ epum ha. A chọpụtara na e nwetụrụ ndịiche na-etu e si edepụta njụajụjụ n'olundị Nsụ na Igbo Izugbe. Ajụjụ chọrọ ọsịsa "ee" na "mba" na-esite n'ahịrịnkwusa. Ahịrịnkwusa nwere ike ịbụ ahịrịajụjụ site na mgbanwe ụdaolu. Nke a na-adị ire mgbe a na-esi n'ahịrịnkwụsa nke isiahịrị ya bụ aha maọbụ nkebiokwu keaha enwete ajụjụ site n'itinye nnọchiaha ga-anọdebe isiahịrị nso. N'aka nke ọzọ, a na-agbanwo ụdaelu ka ọ bụrụ ụdaala mgbe isiahịrị bụ nnọchiaha. Njụajụjụ nwere ike ịmalite ahịrịokwu ma ọ bụrụ ma e mee ka ọ rụọ ọrụ nrụmaka (*focusing*). 'kedụ' anaghị anabata mbugharị dịka njụajụjụ ndị ọzọ.

---------------------------------------------------------------------------

[1]Chuks Favour Demson Ph.D (chuksdems@yahoo.com 07036844388) & [2]Gloria Nkiru Egwuonwu-Chimezie Ph.D (nkiruglory09@gmail.com 08037555647); are Lecturers in the Department of Linguistics and Igbo, Imo State University, Owerri.

**Ntọala Nchọcha**

Asụsụ bụ ụzọ mkparịtaụka na ntụlekọrịta echiche n'etiti mmadụ na ibe ya. Ọ bụ ihe mere Chinagọrọm (2023:1) jiri kwuo n'eze wara awa sị na asụsụ bụ ihe dị mkpa mmadụ ji enwe mmekọrịta nke na-esite n'ụda mmadụ ndị bi na mpaghara ebe a na-asụ asụsụ. Ọ gara n'ihu sị na asụsụ ọbụla kwesịrị inwe usoro mkpọpụta ya, mkpụrụokwu ya, usoro e si edepụta mkpụrụokwu ya, nkebiokwu ya, nkebiahịrịokwu ya, ahịrịokwu ya na nghọtaokwu maọbụ mpụtara si n'ime ha na-apụta na ụdị mmasị na nkwekọrịta ndị nwe asụsụ ahụ. Nke a dabakwara nke ọma n'echiche Crystal (1997); ọ kwadoro na o nwechaghị ihe ọbụla mmadụ nwechara ike ime ma e wezụga enyemaka asụsụ. A bịa na nkọwa Ọkafọ na Ewelụkwa (2012) nyere maka asụsụ, ọ bụ ụzọ ndị mgbe ochie chepụtara ka mmadụ na ibe ya wee na-ekwurịta okwu, na-agwarịta ibe ha ihe ha chọrọ ka ha mata. Ihe ndị a na-ekwu ebe a bụ na asụsụ na-akwalite mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Ọ bụkwa nke a mere asụsụ ji bụrụ ihe dị oke mkpa na ndụ mmadụ.

Asụsụ bụ ihe mmadụ na ibe ya ji akparịta ụka n'etiti onwe ha ma site na ya kọwapụta mbunuche ha ma jikwa ya gboo mkpa dịịrị ha. Asụsụ nwere nke bụ nkwurunọnụ na ederede. Ma a bịa n'ime asụsụ niile a, nkwurunọnụ tọchara ha niile n'ihina a ga-ebu ụzọ sụọ asụsụ tupu e depụta ya. Ọ bụrụ na asụsụ adịghị n'ụwa, mmekọrịta mmadụ na ibe ya ga-abụ nsogbu (Chinagọrọm, 2024).

Asụsụ, dịka Dike (2004) kọwara, bụ njirimara ọhanaeze. Ọ bụ okwu nwere ezigbo usoro na akọnauche dịkọtara ọnụ. Ihe nke a pụtara bụ na ihe e ji ama mba maọbụ obodo a haziri nke ọma maka mkparịtaụka n'etiti mmadụ na ibe ya bụ asụsụ. Usoro Nwalọzie (2011:2) siri kọwaa asụsụ bụ usorookwu ekwurunọnụ maọbụ nke ederede nke mmadụ na-amụta iji nwee ike ịkparịta ụka n'etiti onwe ha. Eneremmadụ (2013:1) kọwara asụsụ dị ka ụzọ nzisaozi nke mmadụ si ezirikọta ibe ya ozi ka e wee nụ, ghọtakwa ihe ha bu n'uche. Nke a pụtara na asụsụ bụ okwu e kwuru n'ọnụ maọbụ ederede nke nwere nghọta zuru oke, nke mmadụ na ibe ya ji enwe ezi mmekọrịta. Asụsụ ọbụla nwere olu izugbe ya na olundị dị icheiche. Njoku (2016) sịrị na ọ bụ site n'asụsụ ka anyị si amata mgbe e nwere obi aṅụrị maọbụ mgbe iwe ji mmadụ n'ihina okwu ọnụ bụ obi mmadụ a hụrụ anya.

Mba ọbụla nwere olu asụsụ ya. Asụsụ Igbo bụ n'ala Igbo ka a na-asụ ya. Igbo bụ otu asụsụ ala Naịjirịa nwere usoro odide e ji ede ya. Njirimara asụsụ, dịka Emenanjọ (1991) kọwara, bụ na

nke ọbụla nwere usoro. Ọ bụrụ na asụsụ enweghị usoro kwụ chịm chịm n'ụda ya, na mkpụrụokwu ya na usorookwu, mmadụ agaghị aghọtachalị ibe ya, mmadụ agakwaghị aghọtachalị asụsụ ọbụla. Farinde (2005) sịrị na agbụrụ ọbụla nwere asụsụ ha na-asụ be ha. Ọ gakwara n'ihu sị na asụsụ ọbụla nwere olundị na ya.

A bịa na nkewasị e kewasịrị olundị mejupụtara asụsụ Igbo, ndị Ọkammụta ụfọdụ dị ka Ikekeọnwụ (1985, 2001) kwuru na e kere olundị ụzọ isii, ka e si asụ ya na obodo ebe a na-asụ ya gụnyere Igbo Ndị Naịja; Igbo Ndị Nnọ n'ime Ndịdaanyanwụ; Igbo Ime Ọwụwaanyanwụ; Igbo Ndị Mba Mmiri; Igbo Ndị Waawa na Igbo Ndị Arọ. Site na nkewasị a, a hụtara na ndị na-asụ Igbo Nnọnetiti gụnyere obodo ụfọdụ dị n'Imo, nakwa ụfọdụ obodo dị n'ime Steeti Abịa. Ọ bụ eziokwu na Ikekeọnwụ akpọtụghị Nsụ aha na nkewasị o mere, mana Olundị Nsụ dabara n'Igbo Nnọnetiti Ọwụwaanyanwụ.

N'aka nke ọzọ, Nwaozuzu (2008) na nkewasị o mere maka olundị, kwuru na ọ dị n'ụzọ asatọ, nke olundị Nsụ dabara n'otu olundị nke Nnọnetiti Ọwụwanyanwụ, *East Central Group of Dialects* (ECGD). Ọ kọwara na ebe e nwere ụdị olundị a bụ n'Imo na ụfọdụ ebe n'Abịa Steeti mana Nsụ dị n'Imo Steeti. Obodo ndị mejupụtara olundị Nsụ gụnyere Agbaghara, Ezeoke, Ụmụakagụ, Ụmụanụnụ, Ụmụdimeze, Ụmụduru, Ụmụezeala, Ụmụnọhu na Ụmụọpara. Ndị nchọcha sitere na nsere nke nwere usoro kemfe na nke mbunuche wee nwete ndị e ji mee nchọcha bụ ndị okenye nwoke abụọ, ndị okenye nwaanyị abụọ na kwa ndị ntorobịa abụọ na-asụ olu Nzụ site na mpaghara itoolu ahụ nyere anyị mmadụ iri ise na anọ.

Ọ bụ ihe doro anya nke ọma na asụsụ ọbụla nwere olu dị icheiche. A na-enwe ndiiche n'ụzọ dị icheiche e si asụ olundị ọbụla. Site n'olu na ụda asụsụ dị icheiche ka e si mepụta mkpụrụokwu dị icheiche e ji asụ ma na-ede asụsụ. Ọ bụkwa maka ndiiche dị icheiche a na-enwe n'olu asụsụ jikọtara olu asụsụ Igbo niile ọnụ. Mgbe a na-asụ asụsụ, a na-enwekarị ndiiche n'usoro mkpọpụta na nghọta mkpụrụokwu. Ụfọdụ mgbe, a na-achọpụta na ụfọdụ olundị na-enwe mkpụrụasụsụ karịrị nke dị n'izugbe maọbụkwanụ ọ gaghị enwe nke ruru nke e nwere n'asụsụ izugbe. Ọnọdụ dị etu a nwere ike ibute mkpọhie maọbụ nghọtahie mgbe a na-asụ maọbụ mgbe a na-ede asụsụ. Nke a mere e ji enwe ndịiche na mkpụrụokwu n'olundị dị icheiche na Igbo Izugbe. Ọtụtụ mgbe, ka a na-eme nchọcha n'ụzọ dị icheiche n'asụsụ Izugbe ma leghara olundị anya. Ma nke a abụghị ihe kwesịrị

ekwesị n'ihina ihe metụtara maọbụ gbasara amụmamụ olundị asụsụ ọbụla na-ewulite ma na-akwalitekwa mwulite na ntolite asụsụ n'ụzọ bụ ịgba.

## Atụtụ Nchọcha

### Ụtọasụsụ Ewumewu (*Structural Grammar*)

Atụtụ ọzọ nchọcha a ga-ehibe isi na ya bụ ụtọasụsụ ewumewu. Nke a bụ atụtụ wulitere ụtọasụsụ nnyocha (*grammatical analysis*) site n'ileba anya n'usorookwu nakwa na nkejiasụsụ ha sonyere. Ihe gbasara ụtọasụsụ ewumewu bụ nke gbasara usoro nchịkwa, na nkewasị n'ogbe n'ogbe ihe gbasara njirimara ahịrịokwu maọbụ ụdị ụtọasụsụ ọzọ (Adewole, Ubaidallah na Muhammad,2022). Leonard Bloomfield, (1995) na ndịọzọ dịka Charles C. Fries na Zelling Harris wepụtara echiche a bụzi nke a ma taa dịka Lingwistiks Ewumewu (*Structural Linguistics*) maọbụ ụtọasụsụ ewumewu (*Structural Grammar*) nke pụtara ihe na 1914.

Ọrụ Bloomfield na ọrụ ndị ọzọ gasị na senchuri iri na itoolu kọwara nchịkwa mkpụrụokwu nakwa usoro ịgbanworịta ha na mkpụrụokwu ọzọ iji gosipụta ọnọdụ mkpụrụokwu nọ nakwa ụzọ isite n'ogo nta nke mkpụrụokwu na ụzọ mmụbawanye ha n'ogo buru ibu.

Bloomfield (1933) gosiri na ewumewu lingwistiks niile bụ nke a ga-amata site n'ụzọ na usoro siri nnyocha ha malite n'ogo nta ha. Ọ gbakwụnyekwara n'okwu ya ụzọ na etu a ga-esi amata ma nke nta, dịka mọfịm na nke ukwu dịka, mkpụrụokwu, nkebiokwu na ahịrịokwu. Site n'ihe ndị e kwurula ekwu, ọ ga-ekwe nghọta na e nwere ike itule maọbụ nyochaa okwu ọbụla n'ụzọ dị icheiche dịka n'ileba anya na mọfịm, nkebiokwu, nkebiahịrị nakwa ahịrịokwu iji gosipụta ewumewu mmepụta okwu ahụ.

Ụtọasụsụ Nnwogharị Kennweta (*Transformational Generative Grammar (TGG)*) bụ nke Noam Chomsky webatara n'afọ 1957, n'ọrụ ya ọ kpọrọ Ọdịdị Usorookwu (*Syntactic Structures*). TGG a gbara mbọ ịkọwa usoro ntụzi (*rules*) ga-aka mma a ga-eji mepụta ahịrịokwu dabara adaba n'otu asụsụ ebe o buru ibu. N'ịga n'ihu, ọ sịrị na usoro ntụzi a na-agbaso iwu na-eweta mmekọrịta n'etiti nkenụdị ahịrịokwu site n'inwe nchekwube na n'okpuru okwu ahụ, usoro okwu gbasoro (*word order*), e nwere usoro dabara adaba okwu ahụ gbasoro. Atụtụ a n'ebe ọ dị ukwuu jiri usoro ntụzi ewumewu nkebiokwu (*Phrase Structure Rules*) rụọ ọrụ. Etu ọ dị, Chomsky egosibụọla na ụtọasụsụ bụ usoro ntụzi a na-elekwasị anya maka mmebe ahịrịokwu dị icheiche. Yule (1996) kwenyere na

nke a mgbe o kwuru na, usoro ntụzi ndị a bụ nke e ji emepụta ahịrịokwu dabara adaba n'ebe ọ dị ukwu. Ọmụma atụ usoro ntụzi ewumewu nkebiokwu (PSR) bụ nke a:

A → NA + NN (S → NP + VP)

NA → (Nrụaka) + (NK) + Ah (NP → (det) + (adj) + N)

NN → N + NA → NA (nrụaka) + Ah. (VP → V + NP → NP (det) + N)

Anyị nwere ike zipụta usoro ntụzi a n'ahịrịokwu ndị a:

i. Uche gbara ọsọ

ii. Nwaanyị mkpụmkpụ ahụ siri ji

iii. Onye nkụzi ogologo ahụ pịara ya ụtarị

Ahịrịokwu ndị a niile anyị depụtara n'elu ebe a, bụcha nke gbasoro usoro sitere n'usoro ntụzi nnwoghari kennweta wee mepụta n'otu n'otu.

**Ntụleghari Agụmagụ**

**Ntụleghari ụfọdụ Isiokwu Metụtara Nchọcha**

Usorookwu bụ otu n'ime ngalaba buru ibu na lingwistiks. Ọ bụ mpaghara sayensị asụsụ nke na-ahụ maka otu mkpụrụokwu na-esi anọkọ ọnụ ma mebe ahịrịokwu na ewumewu ndị ọzọ ndị dịwagara iche n'amụmamụ mmebeokwu. Site n'ileba anya n'ọrụ usorookwu na-arụ; Anagbọgụ, Mba na Eme (2010) kọwara na usorookwu na-ahụ maka nhazi mkpụrụokwu n'ụzọ gara nke ọma iji nweta ewumewu buru ibu dịka ahịrịokwu, nkebiahịrị nakwa ntụcha ewumewu ndị ahụ niile n'ụzọ nwere nghọta. Ihe nkea na-egosi bụ na mmekọrịta okwu na ibe ya ga-agbaso usoro ziri ezi nakwa ụzọ iwu kwadoro maka iji mebe ahịrịokwu nwere nghọta zuru ezu.

Ọzọ dịka ibe ya maka usorookwu bụ na ọ na-enyere ndị ọkachamara sayensị asụsụ aka n'ikewa ahịrịokwu maọbụ asụsụ n'onwe ya. E nwere ndịiche dị n'etiti usorookwu na mmebeokwu. Kembụ bụ na ọ bụ mmebeokwu na-eji mkpụrụokwu arụ ọrụ ebe usorookwu na-agbado ụkwụ n'ebe ahịrịokwu nọ. Keabụọ, ọ bụ site na mmebeokwu ka usorookwu si enweta ngwaọrụ o ji arụ ọrụ. Ihe

gbasara mkpọaha Igbo bụ ihe kwesịrị ịpụta ihe n'olundị. N'ihi ya, ọ bụ ihe dị oke mkpa ịchọpụta ihe gbasara mkpọaha na otu o si metụta olundị dị n'asụsụ Igbo. Ụdị ọnọdụ a na amụmamụ ya ga-enwe ike ịkwalite mmekọrịta olundị ndị dị otua nakwa Igbo Izugbe, otu e nwere ike isi n'olundị nweta mkpụrụokwu maọbụ uru dị icheiche nwere ike isi na ya pụta.

Olundị bụ olu ndị ahụ a na-asụ na mpaghara ha dị icheiche. Ọfọdile (2009) kọwara olundị dịka olu dị icheiche mba dị icheiche ji asụ asụsụ. Okafọ na Ewelụkwa (2012) kọwara sị na olundị bụ asụsụ e ji mara otu obodo maọbụ ibe ya kpọmkwem. Ihe nke a pụtara bụ na olundị bụ olu ndị a na-asụ na mba na mba. Anọzie (1999) sịrị na olundị bụ ụdị okwu nke usoro ndepụta ya, mmebe ya na mkpọpụta ya dị iche n'usoro olu izugbe a  na-ele anya. Nke pụtara na ọ bụ site n'asụsụ izugbe ka olundị si enweta ngwaọrụ maọbụ mgbọrọgwụ ya. Olundị dị icheiche na-eweta ndịiche dị na nghọta ụfọdụ okwu nakwa mkpọpụta ha. Nkea gosiri na olundị dị icheiche na-ewepụta ụzọ dị icheiche e si akpọpụta otu okwu, ndịiche na-adị na nsupe ha nakwa nghọta ha. Ọ bụ ndịiche ndịa mere e ji site n'olu dị icheiche ndịa mepụta asụsụ Izugbe. Olundị malitere mgbe mba nwe ya jiri malite.

Asụsụ Izugbe bụ otu olundị nke na-enweghị otu mba a ga-asị na ọ bụ ha nwe ya. A na-asụ ya ebe niile karịa olundị. Ọ bụ ya ka e ji ede akwụkwọ ọgụgụ, akụzi ihe n'ụlọ akwụkwọ, agbasa ozi na redio, televishọn nakwa n'akwụkwọ mgbasa ozi (Chinagọrọm, 2024).

Igbo Izugbe bụ asụsụ Igbo jikọtara ndị Igbo niile ọnụ. Ọ bụ asụsụ Igbo nwaafọ Igbo ọbụla na-asụ, ma na-aghọtakwa nke ọma n'agbanyeghị mpaghara ala Igbo o si n'ime ya pụta. Igbo Izugbe bụ asụsụ Igbo a na-akụziri ụmụakwụkwọ n'ụlọ akwụkwọ ma n'elementịrị, sekọndịrị ma ụlọ akwụkwọ dịgasị elu. Nke a dabara na nkọwa Omeje (2010) na Egwuọnwụ-Chimezie na Abọnyi (2022); "... asụsụ ndị Igbo ji amụ ihe n'ụlọakwụkwọ dị icheiche ọkachasị n'ụlọakwụkwọ nta". O nweghị mba nwe Igbo Izugbe. Ọ bụ n'olundị dị icheiche ka e si nweta Igbo Izugbe.

Emenanjọ (1991) chọpụtara na njụajujụ Igbo bụ nke e ji akara ụdaala ezipụta. Ọ gakwara n'ihu kwuo sị na e nwere mkpụruokwu ndị a maara amara ka mkpụrụokwu ajụjụ. Ha bụ gị́nị̄, kèdú, òléē, ònyé.

Njụajụajụ dịka mkpụrụokwu bụ otu n'ime ngalaba mkpọaha nke ọrụ ya bụ ịjụ ajụjụ. Ọ bụ mkpụrụokwu maọbụ usoro ahụ na-egosi na ahịrịokwu bụ ahịrịajụjụ. Njụajụjụ na-ezipụta ụdị ahịrịokwu e ji ajụ ajụjụ. N'ụdị ahịrịokwu ọ nọ na ya, ọjụụ maọbụ ọjụ ajụjụ na-achọ ịmata ihe site

n'aka ọzaa maọbụ onye na-aza ajụjụ. Njụajụjụ nwere ike bụrụ otu mkpụrụokwu maọbụ mkpụrụokwu ole na ole dabara n'usoro ajụjụ ndị anyị chọpụtara n'okpuru si gosipụta. Crystal (1997) kewapụtara njụajụjụ n'ụzọ atọ pụtara ihe: ajụjụ pola *polar questions*, ajụjụ ke *wh-questions* na ajụjụ ọzọ *alternative questions*. N'okwu maọbụ ahịrịokwu ajụjụ, onye a na-ajụ ajụjụ (ọzaa) ga-agba mbọ gwa onye na-ajụ ajụjụ (ọjụụ) ihe otu ọ ga-adịrị ọjụụ na ọzaa mma; ma site na ya bụ njụajụjụ zipụta mbunuche ọjụụ.

Ndị mmadụ emeela nchọcha n'ihe yitụrụ isiokwu a kpụ n'ọnụ bụ njụ ajụjụ n'olundị Nsụ na Igbo Izugbe. Nchọcha ndị a e merela n'ihe yitụrụ isiokwu a ga-enye ihe mgbakwasị ụkwụ buru ibu nye ndịnchọcha ileba anya na nchọcha ndị ahụ e merela na mbụ na nke a na-eme ugbua.

**Nchọcha Ndị E Meerela Metụtara Isiokwu**

Adewole na Muhammad (2022) mere nchọcha ha kpọrọ ọmụmụ nsonammebe mkpọaha n'asụsụ Hausa na Bekee *Morpho-Syntactic Study of Nominals in Hausa and English Languages*. Mbunuche nchọcha a bụ ileba anya n'usoro mmebeokwu na usorookwu mkpọaha n'asụsụ Hausa na bekee, iji mata ụzọ dị icheiche e si eji ha mepụta ahịrịokwu. Site n'atụtụ abụọ ha jiri rụọ ọrụ bụ nnyocha adịmiche na nnwoghari ụtọasụsụ kennweta *Contrastive analysis and transformational generative grammar*, ha chọpụtara na asụsụ abụọ ndị a nwere ihe ndị dịcha iche bụ njirimara ha n'otu n'otu, n'agbanyeghị na ha nwere myiri n'oke ha. Ha chọpụtara na ọ bụrụ ma atụgharịa ụfọdụ nkebiokwu keaha n'asụsụ ndị Hausa mgbagougwu nọ n'etiti n'ime Kefi na nke bekee n'etinyeghị ihe maọbụ wepụ ewepụ, ọ gaghị agbaso usoro ụtọasụsụ. Otu a ka ọ ga-adịkwa ma ọ bụrụ ma ịtụgharịa nke bekee na Kefi. Ihe nke a pụtara bụ na ọ bụghị ihe kọwara nkebiokwu keaha (*NP*) n'asụsụ Hausa mgbagougwu nọ n'etiti ga-akọwa nkebiokwu keaha n'asụsụ bekee. Dịka na *"my house"* dị mma n'asụsụ bekee; nke pụtara (ụ na gida) mana ọ dabaghị n'asụsụ Hausa Kefi, kama "gida na". Nchọpụta ọzọ bụ na nkebiokwu keaha n'asụsụ Hausa mgbagougwu nọ n'etiti olundị Kefi dị iche ma ọ bụrụ ma ịtụlee ya na nke Izugbe, karịsịa na mmebeokwu ha.

Nchọcha a na nke anyị na-eme ugbua yiri n'ihina o jiri olundị rụọ ọrụ. Ma ebe o siri dị iche bụ na o hibere isi naanị n'ihe gbasara mmebeokwu na usorookwu; ha elebaghị anya na njụ ajụjụ ma ncha. Ndịiche ọzọ bụ na ha tụlekọrịtara olundị Kefi na asụsụ ofesi nke dị iche na nke anyị kwadoro ime na nchọcha a.

Nchọcha ọzọ anyị ga-eleba anya bụ nke Ezekiel na Are (2022) mere, ha kpọrọ ntụlekọrịta njikọrịta mkpọaha n'asụsụ Jaman na Igbo *A contrastive Analysis of Nominal Compounds in German and Igbo Languages*. Mbunuche nchọcha a bụ ileba anya n'ọdịdị mmebeokwu asụsụ abụọ a, tulee ha iji mata myiri na ndịiche dị na njikọrịta mkpọaha ha na mmepụta okwu. Site n'atụtụ nnyocha adịmiche, ha chọpụtara na ihe ndị mejupụtara njikọrịta mkpọaha ma asụsụ Jaman na Igbo bụ ogwe nke bụ ebe a na-emebeokwu. Ha chọpụtakwara na njikọrịta mkpọaha n'asụsụ jaman na-enwe nnọneetiti mana njikọrịta mkpọaha n'asụsụ Igbo enweghị ya. Kama, a na-edega ha edega maọbụkwanụ dekọọ ha ọnụ dịka otu mkpụrụokwu karịsịa mgbe ihe ndị mebere njikọrịta mkpọaha n'oke esichaghị ike.

Nchọcha a na nke anyị na-eme ugbua yiri makana ha jiri mmebeokwu rụọ ọrụ. Ma ebe ya na nchọcha nke a na-eme ugbua siri dịtụ iche bụ na o hibere isi naanị na mmebeokwu; ha elebaghị anya n'usorookwu na njụjụ ma ọlị.

Akpụnkụ (2018) mere nchọcha ọ kpọrọ mkpọaha nkọwa n'Igbo Mbaise *Nominal Modifiers in Mbaise Igbo*. Mbunuche nchọcha a bụ ịchọpụta ọdịdị mkpọaha nkọwa na Mbaise na ịchọpụta ejirimara usorookwu na mkpọaha nkọwa na Mbaise. Tinyekwara ihe ndị mejupụtara nkebiokwu keaha na Mbaise nakwa ịmata ọnọdụ ha n'usorookwu nkebiokwu keaha na Mbaise. Omenchọcha ejighị atụtụ nchọcha ọbụla mee nchọcha ya mana o ji usoro atụmatụ nkọwasị nke mọfịm na mọfịm mee nchọcha ya. Nchọcha ya chọpụtara na nkọwaaha nkwụso na nkebiahịrị ndabe kenkọwa bụ ụdị mkpọaha nkọwa e nwere n'asụsụ Igbo Mbaise. Sitekwa na nchọpụta ya, ọ sịrị na e kekwara nkwụso n'ụzọ ndịa: nrụaka, nnọchiaha nkọwa, mkpọkọta na ọnụọgụgụ. Nchọpụta ya ọzọ bụ na ọ sịrị na ọ bụ eziokwu na ihe na-emebe isi na nkebiokwu keaha n'asụsụ a bụ aha mana ihe na-ekpebi ọnọdụ ya n'okwu bụ ụdị mkpọaha nkọwa ya na isi na-agakọ (aha). Nchọcha a chọpụtakwara na ụfọdụ mkpọkọta n'asụsụ a nwere ike ịbụ mkpọkọta isi mbụmụzọ (*Pre - head*) maọbụ isi mkpemazụ (*Post - head*) site otu okwuu maọbụ odee ji were ya rụọ ọrụ. Ọ sịrị na ọ bụrụ na mbunuche onye ji ya arụ ọrụ bụ na nkọwa, ọ bụrụ nkọwa isi mbụmụzọ mana ọ bụrụ na ọ bụ n'isi okwu nke na-abụkarị mkpọaha, ọ bụrụ nkọwa isi mkpemazụ.

**Ngosipụta na Ntọsasị Ngwa Nchọcha**

**Mkpụrụokwu Njụajụjụ Ndị A Chọpụtara**

| Olundị Nsụ | Igbo Izugbe |
|---|---|
| elee?/ndịị? | olee? |
| olee ibe? | ebee? |
| ngịnị? (ngịnụ?) | gịnị? |
| oloo otu? | olee otu? |
| nke ole? | olee nke? |
| ole? | ole? |
| onye? | onye? |
| maka ngịnị? | maka gịnị? |
| ugboro ole? | ugboro ole? |
| ole nga? | ole ebe? |
| ole mgbe? | ole mgbe? |

Anyị chọpụtara na e nwetụrụ obere ndịiche n'etu e siri depụta njụajụjụ n'olundị Nsụ nakwa nke Igbo Izugbe mana ndịiche a ebuteghị nghọtahie ma ọlị. Anyị chọpụtakwara na njụajụjụ na-ahọ mkpụrụokwu ha na ha na-agakọ n'ajụjụ.

Ọmụmaatụ:

| Olundị Nsụ | Igbo Izugbe: |
|---|---|
| olee mgbe? | ole mgbe? |
| maka ngịnị? | maka gịnị? |
| ugboro ole? | ugboro ole? |
| elee nke ị chọrọ? | olee nke ị chọrọ? |

Njụajụjụ nwere otu mkpụrụokwu maọbụ mọfịm na-egosipụta mpụtara ha n'ọnọdụ ọbụla nke bụ ma e wepụ mọfịm maọbụ mkpụrụokwu ndị a, mpụtara ha ga-agbanwe.

Ọmụmaatụ:

*maka ole?

* ugboro ebee?

* ole gịnị?

Ọmụmaatụ atọ a dị n'elu adabaghị na mpụtara ajụjụ dịka o gosipụtara.

Anyị ga-aga n'ihu ileba anya na njụjụajụ site n'ịgbado ụkwụ n'ụzọ ndị a:

**N'ụzọ nke Ajụjụ Eee/Mba (Ajụjụ Pola):** ***Polar Question or Yes/No Question***

Nke a bụ ụdị ajụjụ na-anabata ọsịsa 'ee' maọbụ 'mba', nkwe maọbụkwanụ njụ. Onye na-enye ọsịsa nwekwara ike were okwu ndị dịka 'ọ gbasara gị?', 'gịnị mezienụ?' Maọbụ 'ike kwe' nye ọsịsa ya (Radford, 1988). Njụajụjụ ee/mba na-eji ụdaolu ezipụta onwe ha n'okwu. Ka anyị were ahịrịnkwusa nwere nnọchịaha bu ụzọ ma bụrụkwa isiahịrị nwere ụdaala gosi.

Ọmụmaatụ:

(a) Ḿ kwụ̀rụ̀ gị̀ ụgwọ nri ahụ̀ (ahịrịnkwusa)

Ṁ kwụ̀rụ̀ gị̀ ụgwọ nri ahụ̀? (njụajụjụ)

. (b). Olundị Nsụ: Ị̀ ghụọla ahụ?

Igbo Izugbe: Ị̀ saala ahụ?

(ch). Olundị Nsụ: Ò riena nri?

Igbo Izugbe: Ò riela nri?

(d). Olundị Nsụ: Ị̀ mụọna nwa?

Igbo Izugbe: Ị̀ mụọla nnwa?

(d). Olundị Nsụ: Obi ọ̀ zụtana ụgbọala?

Igbo Izugbe: Obi ọ̀ zụtala ụgbọala?

Anyị chọpụtara na ajụjụ 'ee' na 'mba' na-esite n'ahịrịnkwusa. N'ihi ya, anyị ga-asị na ụdaolu bụ ezi ngwaọrụ maka imebe ajụjụ.

**Site n'ụzọ Ajụjụ Nhọ** (***Alternative Question***): Nke a bụ ụdị ajụjụ na-anọ n'ụdị njụ, na-egosikwa mgbagwojuanya, ekweghịekwe maọbụkwanụ ịtụnanya. Oge ụfọdụ, ọ bụ nnọchiaha onye nke atọ na-ebidokarị ya n'okwu. Ọ na-anabata ohere abụọ maọbu karịa nye ọsịsa ajụjụ ka onye na-enye ọsịsa nwee ike ịhọrọ nke kwesịrị ekwesị.

Ọmụmaatụ:

(a). Olundị Nsụ: Nna gị ọ nọ ya ka ọ pụọna?

Igbo Izugbe: Nna gị ọ nọ ya ka ọ pụọla?

(b). Olundị Nsụ: Uche ọ mụ anya ka ọ rahụna?

Igbo Izugbe: Uche ọ mụ anya ọ nọ n'ụra?

(ch). Olundị Nsụ: Ụmụ m ha nọ n'ụlọụka ka ha anaana?

Igbo Izugbe: Ụmụ m ha nọ n'ụlọụka ka ha alaala?

(d). Olundị Nsụ: Ọ gaa aga?

Igbo Izugbe: Ọ gaghị aga?

Anyị chọpụtara na e nwere karịa otu nnọchiaha n'ọmụmatụ ndị e nyere n'elu ma were mbenangwaa (*particle*) jikọọ ha. Mbenangwaa a bụ nke bu akara ụdaala ma nnọchiaha e ji ajụ ụdị ajụjụ a na-enwe ụdaelu. Maotuọdị, dịka o siri daba na mbunuche nchọcha anyị, olundị Nsụ na Igbo Izugbe gosipụtara myiri ebe a maka na ha gbasoro otu usoro.

**Site n'ụzọ Ajụjụ Eko (*Echo Question*):** Dịka aha siri dị, ọ bụ ikwupụta okwu ihe merenụ n'ụzọ gbara elu. Mmadike (2017:36) sịrị na ajụjụ eko bụ nke ọjụụ ji achọpụta ihe ọ chọrọ ịmatacha maka ya. Ọ gara n'ihu sị na e jikwa ya ezipụta ntụmanya (*amazement*).

Ọmụmaatụ:

(a). Olundị Nsụ: M sị na Uche ahụna akwụkwọ ya.

Igbo Izugbe: M sị na Uche ahụla akwụkwọ ya.

(b). Olundị Nsụ: Ị sị na Uche ahụna gịnị?

Igbo Izugbe: Ị sị na Uche ahụla gịnị?

Ebe a, ọjụjụ chọrọ ka mpaghara ahịrịokwu nke bụ ajụjụ bụrụ nke a ga-ekwugharị n'ụzọ gbara elu ka o doo anya nke ọma. N'ahịrịokwu ndị nọ n'okpuru (a) na (b) n'ọmụmaatụ dị n'elu, mkpụrụokwu ajụjụ nọ n'ọnọdụ mmeju.

**Site n'Ụzọ Ajụjụ Kedụ *Interrogative Question/Wh-Question***: Ajụjụ kedụ bụ ụdị ajụjụ na-achọ mkpụrụokwu ole na ole maka azịza. Ọtụtụ oge, ọ na-eji njụajụjụ 'kedụ' arụ ọrụ ya. Nwachukwu (1987) nabatara ịkpọ ha njụajụjụ. Maotuọdị, ọ bụghị maka na ha nwere mkpụrụedemede 'wh-' maọbụ 'kedụ' mere anyị ji akpọ ha ajụjụ kedụ, kama ha na-arụ otu ụdị ọrụ n'usorookwu ajụjụ.

Ọmụmaatụ:

(a). Olundị Nsụ: Unu gara ebe ole?

Igbo Izugbe: Ụnụ gara ebee?

(b). Olundị Nsụ: Uche ọ sụ ngịnị?

Igbo Izugbe: Uche ọ sị gịnị?

(ch). Olundị Nsụ: Elee akwụkwọ m?

Igbo Izugbe: Kedụ akwụkwọ m?

(d). Olundị Nsụ: O butere elee nke?

Igbo Izugbe: Kedụ nke o butere?

E nwere mmanye ọnọdụ ihu n'oge ụfọdụ na njụajụjụ kedụ, tụmadị oge e ji ha ajụ ajụjụ iji nweta ụtọasụsụ dabara adaba. Ihe nke a pụtara bụ na e nweghị ike ibugharị ha n'ime ahịrịokwu ha nọ na ya kama, ọnọdụ ha ga-abụrịrị n'ihu ka mpụtara ha wee zuo oke. Ụfọdụ ha gụnyere ndị a: elee, kedụ na onye.

Lee ọmụmaatụ ndị a na-esote:

(a). Olundị Nsụ: Elee nke o wetere?

* O wetere nke elee?

Igbo Izugbe: Kedụ nke o wetara?

*O wetara nke kedụ?

(b). Olundị Nsụ: Onye shiri nri?

*Nri shiri onye?

Igbo Izugbe: Onye siri nri?

*Nri siri onye?

N'asụsụ Igbo, kedụ anaghị anabata mbugharị mana, 'onye' nwere ike nabata mbugharị tụmadị oge ọ na-arụ ọrụ nnara n'ahịrịokwu.

Ọmụmaatụ:

(a). Olundị Nsụ: Nwanyị ahụ o gburu onye?

Igbo Izugbe: Nwaanyị ahụ o gburu onye?

(b). Olundị Nsụ: Onye wụ onye nwanyị ahụ gburu?

Igbo Izugbe? Onye bụ onye nwaanyị ahụ gburu?

'Onye' nke abụọ n'ọmụmaatụ (b) na-arụ ọrụ 'pesịn'.

Na mmechi, nchọpụta ndị a anyị hụtara gosiri na usoro ajụjụ niile dị e lebara anya na nchọcha a pụtara ihe n'olundị Nsụ na Igbo Izugbe. Naanị ebe e nwere ndịiche bụ n' ụfọdụ mkpụrụasụsụ na mkpụrụokwu ole na ole.

**Usoro Njụajụjụ n'Olu Nsụ na Etu Ha Si Kwekọ na Ihe Ndị Ọkachamara Chọpụtara Banyere Ụtọasụsụ Igbo**

Ajụjụ Eee/Mba *Polar question o Yes/No question* nke a bụ ụdị ajụjụ na-anabata ọsịsa 'ee' maọbụ 'mba', nkwe maọbụkwanụ njụ pụtara ihe n'olu Nsụ dịka ọ dị n'Igbo Izugbe. Oluikpe (1978), Nwachukwu (1987), Mbah (2011), na Emenanjo (2015) kwekọrịtara na ọ dị ụzọ abụọ e si enweta ajụjụ Eee na Mba ndị bụ site n'itinye nnọchiaha na nkwụ nyere isiahịrị (NP). Nke a na-adị ire mgbe a na-esi n'ahịrịnkwụsa nke isiahịrị ya bụ aha maọbụ nkebiokwu keaha enwete ajụjụ. Nke ọzọ bụ, nnọchiaha isiahịrị ahịrịnkwusa ịgbanwo bụrụ ụdaala. A na-agbanwo ụdaelu ka ọ bụrụ ụdaala mgbe isiahịrị bụ nnọchiaha n'ọnọdụ a.

Ajụjụ nhọ *Alternative question* nke bụ ụdị ajụjụ na-anọ n'ụdị njụ, na-egosikwa mgbagwojuanya, ekweghịekwe maọbụkwanụ ịtụnanya. Ọ na-abụkarị nnọchiaha onye nke atọ na-ebidokarị ya n'okwu. Ọ na-anabata ohere abụọ maọbu karịa nye ọsịsa ajụjụ ka onye na-enye ọsịsa nwee ike ịhọrọ nke kwesịrị ekwesị (Maduagwu 2012). Ụdị ajụjụ a n'olu Nsụ na Igbo Izugbe bụ otu.

Ajụjụ Eko *Echo Question* bụ ikwupụta okwu ihe merenụ n'ụzọ gbara elu n'ụzọ ajụjụ. Ajụjụ eko bụ nke ọjụụ ji achọpụta ihe ọ chọrọ ịmatacha maka ya site n'ihe okwuu kwuru Mmadike (2017). Etu ajụjụ eko dị n'Igbo Izugbe ka ọ dịkwa n'olu Nzụ

Ajụjụ Kedụ *Interrogative question/Wh-question* bụ ụdị ajụjụ na-achọ mkpụrụokwu ole na ole maka azịza. Ọtụtụ oge, ọ na-eji njụajụjụ 'kedụ' arụ ọrụ ya. Nwachukwu (1987), Uwalaka (1991), Maduagwu(2012) dere na mbugharị na-apụta ihe n'ụdị ajụjụ ndị a n'Igbo Izugbe. Naanị kedụ anaghị anabata mbugharị. Njụajụjụ ndị ọzọ nwere ike ịmalite ahịrịokwu ma ọ bụrụ ma e me ka ha rụọ ọrụ nrụmaka. Etu a ka ọ dịkwa n'olu Nzụ.

**Nchịkọta na Mmechi**

Usoro njụajụjụ na ajụjụ n'olu Nsụ na Igbo Izugbe bụ nke e lebara anya na nchọcha a. Njụajụjụ na-ahọ mkpụrụokwu ya na ha na-agakọ n'olundị Nzụ na Igbo izugbe. Usoro ajụjụ bụ nke e lebara anya site n'ụzọ nke ajụjụ eee/mba (Ajụjụ Pola): *Polar question or Yes/No question,* site n'ụzọ ajụjụ nhọ *Alternative \question,* site n'ụzọ ajụjụ Eko *Echo question* na site n'ụzọ ajụjụ Kedụ *Interrogative question/Wh-question.* Kedu anaghị anabata mbugharị

E mere nchọcha a iji sonyere ndị ọkachamara ndị ọzọ maka ime nchọcha n'ihe gbasara njụajụjụ olundị dị icheiche, tụmadị n'asụsụ Igbo. Ọ bụ eziokwu na e nweela ụfọdụ nchọcha ndị e merela banyere olundị ndị a dị icheiche mana e nwebeghị nke e merela n'isiokwu a olu Nsụ kpọmkwem dịka ndị ome nchọcha si madebe. Iji zụta ihe a tụrụ n'ahịa, anyị gbagidere ụkwụ n'atụtụ nnyocha utọasụsụ ewumewu iji nweta ezi nduzi n'ime nchọcha a n'ụzọ bụ dị mma.

## Edensibịa

Adewole, A.A.; Ubaidallah, M.B. & Muhammad,M. (2022). Morpho-Syntactic Study of Nominals in Hausa and English Languages. Retrived from *Research Gate Journal*. On 23rd january 2026.

Anagbogu, P.N.; Mbah, B.M. & Eme, C.A. (2010). *Introduction to Linguistics*. Ọka: Amaka Dreams.

Anozie, C. (1999). Lingwistiks Sayensị Asụsụ. Enugu: Computer Edge Publishers.

Bloomfield, L. (1933). *Language.* London: George Allen & Unwin Publishers.

Chinagọrọm, L.C. (2023). *Uru Ezi Akanka n'Agụmagụ Igbo Ugbua* (*Comtemporary Igbo Stylistics*). I.O Publishers, Owere.

Chinagọrọm, L.C. (2024). Igbo Ujundụ.(Mbanye Igbo n'Ogo Igbo Ehirila Na-eche Ihu naNkwụrụchịm Igbo). Owere: Assumpta Press.

Chomsky, N. (1965). *Aspects of the Theory of Syntax*. Cambridge: Massachusetts: MIT Press.

Crystal, D. (1997). *The Cambridge Encyclopedia of Language*. Cambridge: Cambridge University Press.

Dike, G.A. (2004). *Ndubata n'Ọmụmụ Lingwistiks Nkọwa*. Owere: Chiuba graphics.

Emenanjo, E.N. (1991). *Nchịkọta Asụsụ na Ụtọasụsụ Igbo Izugbe*. Nigeria: Longman.

Emenanjo, E, N. (2015). *A Grammar of Contemporary Igbo: Constituents, Features and Processes.* PortHacourt : M & J Grand Orbit Communication.

Eneremmadụ, E. (2013). *Phonetics and Phonology of English*. Owerri: Bcz Publishers.

Ewelụkwa, U. & Okafo, C.U. (2009). *Nhazi Asụsụ Igbo Maka Siniọ Sekọndịrị*. Onitsha: A.C. Global Publishers.

Ezekiel, O.O.& Are, T.A. (2022). A Contrastive Analysis of Nominal Compounds in German and Igbo Languages. *International Journal of Humanities and Social Science*. Vol.12, No. 8, 57 - 66.

Farinde, R.O. (2005). Nigerian Languages in Education and National Development. *Journal of Teacher Education.* 81, 19 - 24.

Ikekeonwu. C.I. (1985). "Aspects of Igbo Dialectology: A Comparative Phonological study of Ọnịcha and Central Igbo Dialects". *Journal of West African Languages,* vol.xv, 2.

Ikekeonwu. C.I. (2001). *Igbo Language and Its Dialects: A Critical Appraisal. Ahịajọkụ Lecture.* Owerri.

Maduagwu, G. O. (2012). Interrogative Constructions: A case for Content Questions in Igbo. African Education Indices 4. 1 Pp 24-38.

Mbah, B. M. (2011). *GB Syntax. A Minimalist Theory and Application to Igbo.* Cross River:Association of Nigerian Authors

Mmadike, B.I. (2017). *Selected Topics in Igbo Syntax*. Nkpor: Brystevand Publishers.

Njọkụ, M.O. (2016). Usoro Nsirimmebeokwu n'Olundị Mbanọ. *Unpublished M.A. thesis, Imo State, Owerri, Department of Linguistics and Igbo*.

Nwachukwu, P.A. (1987). *Igbo Questions: Movement and trace Mimeograph:*University of Nigeria Nsukka..

Nwalozie, N.F. (2011). "Linguistics and Extralinguistics Criteria for Distinguishing Language and Dialect". *Ngụpụta semina maka Nzere M.A. Mahadum Naịjirịa, Nsukka.*

Nwaozuzu, G.I. (2008). *Dialects of Igbo Language*. Nsukka: University of Nigeria Press.

Ofodile, A. (2009). *Nkuzi Asụsụ Igbo N'ụzọ dị Mfe. Ibadan* : Austin Modest Publishers

Okafo, C.U. & Ewelụkwa, U. (2012). *Nhazi Asụsụ Igbo Maka Ule Siniọ Sekọndịrị*. Onitsha: Global Publishers.

Radford, A. (1988). *Transformational Grammar: A First Course.* New York : Cambridge University Press.

Uwalaka, M. A. (1991). Wh-Movement in Igbo. *UCCL Working papers in Linguistics 3*.